IP INDEXING ISSN: 119-0133

# 14

## EGWUREGWU ODINALA:
## OTU UZO E NWERE IKE ISI WULITE ASUSU IGBO.

NKE SI NAKA
**EJETE-IROH, NKIRUKA JOYCE**

(B.A LINGUISTICS/IGBO STUDIES)
ST. PAUL'S ACADEMY, JOS, PLATEAU STATE.

**UMI EDEMEDE (Abstract)**
*Ehe nwaafo Igbo obula choro odimma na oganiihu asusu Igbo ugbu a bu ihe a ga-eme a Qut aga-esi mee ya ka asusu lgbo ghara ibu asusu atufuru atufu. Omenala na Iregwu ndiocha achufuola nke anyi. Ederede a na-eleba anya n'uzo di ichei chee nwere ike iji egwuregwu odinala na akuko ifo kwado ma wulitekwa asusu Igbo.*

**EGWUREGWU ODINALA: OTU UZOE ENWERE IKE ISI WULITE ASUSUIGBO NDUBATA:**

O bughi okwu njakiri na asusu igbo na-achozi Idamila n'ime mmiri. Ndi nwere anya e ji ahu uzo e nyomiela anya n'ihe na-eme ugbua we kwuputa na ihe dika afo iri na-abian'ihu na agaghi enwekwa asusu dika asusu Igbo. Nke a abughi ihe mgbagwojuanya n'ihi na ndi Igbo na-asuzi bekee karia ndi bekee n'onwe ha.Ezi naulo obula bu nke ndi Igbo,ma ndi no n'ala Igbo ma ndi no na mba, asusu ha na-asu bu bekee, ihe niile ha na-eme na- enomi nkendi bekee. Noge gboo, asusu igbo bu asusu zuru oke ma nwekwa ugwu. O bu ya ka nne na nna ji akuziri umu ha ihe n'ezinaulo. O bu ya ka eji akuziri umuaka egwuregwu odinala di iche iche dika akuko ifo, egwu onwa, abu di iche iche dika nke e ji agba mgba, nke eji eku nwa, nke eji eje ogu dgz. O bu ya ka ndi okenye ji ekwu okwu amamihe di iche iche dika ilu, asiniilu, akpalaokwu, nakwa atumatuokwu igbo ndi ozo. Ndi nna nna anyi ha nwere ojuju afo na ha nwere asusu dika asusu igbo. Nkea mere ka asusu a rute anyi aka. Mana n'oge ugbua, asusu igbo buzi asusu ana ekpuchi aka n'onu were asu. Nke a bu otu ihe obibia ndi ocha mere anyi. N'ulo akwukwo di iche iche ugbu a, nwata akwukwo obula suru igbo, a na-ata ya ahuhu n'ihi na o suru asusu igbo. N'ezinaulo,

nne na nna e nwekwaghi oherei kuziri umu ha ihe na- asusu igbo. Ha enwekwaghi ohere I kuziri ha ilu ndi ahu e jiri mara ndiN lgbo. Erimeri oma ndi ahu e jiri mara ndi Igbo dika ukwa, ugba, akidi, abacha, akpu, ji dgz, a burula nri ndi mgbe ochie. Nri ndi bekee dika ndomi, supageti, saladi, osikapa dgz buzi nn umu lgbo maziri nke oma. Asusu Igbo n'ezi okwu na-achozi ibu asusu mgbe ochie.

**EGWUREGWU ODINALA:**

Umu Igbo ndi odimma asusu a na-enmetu n'obi na-agbakiri ala icho uzo di iche iche a ga-esi me ka asusu Igbo bilitekwa ma kwuru chim dika o di mgbe gboo. Ya mere, ederede a na-eleba anya nuzo e nwere ike isi site n egwuregwu odinala na akuko ifo wulite ma kwado asusu Igbo. Cgwuregwu odinala dika Emenaio na ndi otu va (2008:19) siri kowa ya bu "uzo di iche iche ike buru n udi nije ka ha we kpa ochi maobu me onwe ha obi ut ndi lgbo si emeghari ahu maobu egwu egwuregwu ka ha wee gbasie ike Egwuregwu at egwuregwu odinala dika egwuregwu di iche iche ndi Igbo nwere a na--e20si nnobom agbakota onu.

iro, ama maobu ogo. Ufodu bu egwu umu ntakiri nwoke egwu ndi ikom, nke ndi inyom maobu nke ogwara ogwa, ya bu nke ndi I Site na nkowa ndi okammuta abuo a nyere maka egwuregwu di iche iche, ikpoputa aha anu ndi a na iziputa etu ha si eme putara ihe dika njje(imitation), mmekorita (socialization) ahuike :(good health). Ihe aton di mkpa niwulite asusu. Egwuregwu odinala n'ezipute njije di iche iche dika umuaka ljye maobu umu ntakiri ikom na ndi ha. Mgbe a na eme nke a, obu asusu ka e ji eme ha.

Ugonna (2009) ochie. inwanyı, ufod inyom odinala, ufodu ebi n'ezinulo, dika etu nne ha si esi nni, etu nna ha Si aru oru, etu ha si akparita uka n'etitio mkpotu. Ijije etu nne asusu ka mmadu na ibe ya ji enwe mmekorita. Ndi nna nna anyi ha ghotara nke a we tn Egwuregwu odinala na-eweta mmekorita n'etiti i mmadu na ibe ya n'otutu uzo di iche INigwurita egwu dika igba mgba na iso mpi igba egwu na mmemme ufodu ha na- eme nene

**NKENUUDI EGWUREGWU ODINALA**

Naka nke ozo, ndi ocha ghotara mkpa egwuregwu di n'ikwalite mmekorita mmadu na ibe Ha mara nke na otu ihe mere eme nke a bu ka ha na-akwalite asusu ha. Ha we chemie echi ime we cheputa maka egwuregwu boolu n'uzo di iche iche. Na mba uwa ta, egwurea na nnab futboolu na boolu nkata (bascketball) e mela ka asusu bekee gbade mgborogwu noh mmadu.Nna mba Afirika na n'ala Igbo gbaa gburugburu, e nwere otu asompi boolu d iche, o dighikwa onye na echeta na anyi nwere egwuregwu nke bu nke odinala anyi nke.

**MGBA ODINALA**

Egwuregwu odinala dika a kowara na mbido na-akwalite ahu ike. O buru na I lemie an negwuregwu dika mgba, ma nke umuaka, nke umunwanyi na ndi okenye nwoke, o buihes egosi

igbasi ike na ezi ahu ike. Mgba odinala Igbo dika anyi ga-akowaputa ya adighi ka nke:bekee. Mgba odinala Igbo bu nke obi nwanne na obi oma nke ana-agba iji kpa obi uto. Obu ebe ana-eji akurungwa na ngwa ogu di iche iche enye mmadu onya na ahu ufu maobu me onye ahu buru onye wuru anwu. Mgba odinala bu onye azu ya bu uzo rue ala maobukwa o ga -ebu uzo bulite ibe ya elu iji gosi na o ka ya sie ike. Mgbe a na- eme nke a, onye obua enwe obi anuri obughi obi ojo. eiche.o E nwere egwuregwu odinala di iche iche dika mgba,egwu agha, egwu onwa tu

Mana ndi anyi ga-eleba anya n'ederede a bu mgba egwu onwa na akuko ifo. .mgba bu egwuregwu dibu tupu ndi ocha azota ukwu ft nala Igbo. Ejiya eme ndi mmadu obi uto. umu okorobia u agboghobia ji mgba odinala anwale ike ha... kporo ya ihe di mkpa nke ukwu.Ogbalu EC (2007:91) kowari na mgbe gboo ,nna nna an Mgba odinala bu egwuregwu gbadoro mgborogwu n'ala Igbo n'oge gboo. Ndi mgbe a na-ewe igba mgba dika ihe ukwu.Ha na-eji ya mara mba nke nwere ike karia ibe ya. On mgba nwere oge gara aga dika nke igba boolu nwere ugbua. Igba mgba na-eme ka umuak ike nihi na o bu otu uzo ha si emesaghari ahu.Dika Emenanjo na ndi otu ya (1999: 178) Nwere ike iji kwalite ezi mmekorita n'etiti onwe anyi ma wulite asusu anyi dika ndi bekes wulite nke ha. Noge ochie n mgba bu egwuregwu na-enye ndi mmadu obi anuri. Dika Ogbalu na Emenajo rena nkowa ha. obi uto o na- enye mgbe ochie dika nke boolu na-enye ugbua. O bu mgba ka e akpokota obodo nn'ile onu na mmnemme obula. Mgbe a na-eme nkea, a na-eme ka obodo exdinotu man nwekwa ezi nkwalite. obodo ebe eji mgba eri ji ohuu, a na-akwadoro ya nkwado puru ichie. A na- akwada powu di iche iche dika udu, ekwe, oyo, ogene, ekpete dgz. Ndi oku egwu ga-ano n'out nku na-aku egwu mgba di iche iche dika ndia a:

i. Kere kere mgba

Kere kere mgba

Onye buru ibe ya

O tuo n'ala

ii. Buru buru tigbuo

Anyi na-agba mgba tigbuo

Buru buru tigbuo

Anyi na-agba mgba tigbuo

Okoye buru tigbuo

Anyi na-agba mgba tigbuo

Amadi buru tigbuo

Anyi na-agba mgba tigbuo...

Nke a bu egwu maobu ekere mgba nke ana-akuru ndi na-agba mgba. Ka ndi ekere mgba na- aku ndi na-afu oja na-afukwa iji bulite maobu jalite obi ndi na-agba mgba elu. Igwe mmadu na-ano okirikiri ama egwuregwu ahu na-ajanyere ndi na-agba mgba ike. Mgbe a na-abu abu ekere mgba mana-ajalite obi ndi na-agba mgba, o bu asusu igbo ka a na-asu, o bughi asusu bekee.

Dika Ogbalu (2007:90) ziputara, a na-esite na gbo kuzibere umuaka mgba o buladi mgbe ha di afo ano maobu ise. Umuaka nodun'ala igwuru egwu mgbede, ndi toro ha na ndi okenye ndi 0zo na-akuziri ha aka mgba. Nke a ga- eme ka ha mata aka mgba ha ma gbasie ike n'ogbo mgbeobula a kporo ha mgba.

N'ebe ufodu a na-agba mgban'ama n'ama maobu kwa n'obodo n'obodo, ya bu e buru mgba jee obodo nke a n'afo a, afo ozo e buru jee n'obodo ozo. Tutu obodo obula aga mgba n'obodo ozo, ha ga-ezi 0zi kwue ubochi ha ga abia. Tutu ogee rue, ndi obula ga-ano na-amu aka mgba di ichie ichie ka oga-bu ha rue ha nwe mmeri. Otu mgba obula ga-enwe onye isi mgba nke ga-edu ndi ozo wee jee mgba. Otu obula na-ebu ekere mgba ha wee jee. Ha rue n'ogbo, ha na –aku egwu, na-afu oja ha na -agbakwa egwu tutu oge ha ga-eji gba mgba erue. Dika mgba siri di oke mkpa n'oge gboo, otutu okamgba a maara nke oma na- eji ya eriju afo n'oge ahu. Nihi idi ike na mgba, ha na-enwete ihe onyinye di iche iche nke ndi mmadu na-enye ha, Ufodu n'ime ha sikwa uzo di otu ahu luta adaeze, n'ihi mgbe ochie, eze obodo na-eji ada ya ama aka mgtba. O na-abu ihe obi anuri mgbe umu okorobia sitere n'otu obodo nwere mmasi puru iche na asompi mgba odinala. Dika Ogbalu si chikota ya, n'eziokwu mgba nochiri anya futuboolu n'oge gboo. ikd a turu nilu si nku di na mba na-eghere mba nri, mgba bu nku di n'ala Igbo nke ha nwere lke iji wulite asusu ha. CO buru na ndi lgbo ga akwalite egwurewgu odinala a bu mgba, me ya ka o biaghachi dika ndi nnanna anyi ha wubere ya, o burukwa na anyi ga-enyomi anya anyı nime tlo, kpo ya mkpa dika ndi bekee kporo futuboolu mkpa,anyi gaa-ahu na mba uwa nile ga-omiwe mgba odinala anyi na-abughi n'udi nke ha ebe ha na-etigbu ma na-azogbu, oga ewulite asusu lgbo ma me ka o gbado mgborogwu.

**EGWU ONWA ODINALA:**

Egwuregwu a dika Emenanjo (2007; 1 79) si kowa ya bu "nke kacha ibe ya nke umuaka na-eme n'oge okochi. O na-enye ha ohere imu otutu egwu di iche iche ma nd egwu onwa dika egwuregwu umuaka, nke ha na-eme ebe ha nokoro onu na-ejije ihe nne negwu onwa a di n'udi di iche iche. Ufodu n'ime ha bu ndia: igba oro, , kpakpankoro,kpukpu mkp nna ya bu na-akpa agwa dika nne na nna. O nweghi onye maobu ndi kuziri ha egwuregwua ogene, onye elela anya na-azu. Mgbe ufodu ha na-eketa ikpoputa aha anu 1 ohia, aha umu nnny akpachapuru anya akuzi ma ndi akpachapughi anya kuzie". Egwu onwa odinala bu egwuregwu di iche iche umuaka na- egwu mgbe onwa na-eti aha anu na-ebi n'ulo, nke na-efe efe, nke na-akpu akpu, maobu nke sokwa na-egwuriegwu umuaka na-egwu mgbe onwa na-eti. Nikowaputa ufodu egwuregwu ndi a, igba oro bu egwuregwu umu obere okorobia nke ha na eme n'ama egwuregwu maobu na mbara. Mmadu

abuo g'ejikota aka onu, ha ga na-agbaghan na-achughari ndi ozo. Otu onye nime ha ga na -agba mbo ijide ndi ha na-achughari ebe e ndi nke ahu ga na-agbakwa mbo imetu onye nke ji onye na-achughari ha aka. Onwe I abuo ga-agbakota soro nan di ana-achughari ebe onye ha jdere ga-achotakwa onve ozo abuo ga -abu ndi na-achughari ndi ozo. Mgbe umuaka na-egwu egwu a ha na- eme mkporu 2 iche iche nke na-enye ha obi anuri.

Egwuregwu kpakpankoro bu nke umuaka ndi nwanyi na ndi nwoke na-egwukata onu. Ha n ejikota aka onu na-agba okirikiri ma na -agu egwua:

Kpapka nkoro.... kpa nkoro

Kpakpa nkoro.... Kpa nkoro

Udu moo..... 0gene

Udu moo..... ogene

agukwa egwu a:

achia ya ochi (2009:230) Onye omara..... suru gha gha gha suru gha!  hutara

Kpukpu akpo ogele...ogele ogelele

Kpukpu mkpu ogele.... Ogele ogelele

Onye ga-apko ogele...Ogele ogelele

Aturu ga-alkpo ogele... ogele ogelele

Nkpa aaa kpa aaa .... Ogele ogelele

Onye ga-akpo ogele... Ogele ogelele

Nwamba ga-akpo ogele.... Ogele ogelele

Mia aa mia aa ....ogele ogelele

Mgbe ha gururu egwuanisi, ha nile ga ehulata ala bilitekwa n'ike bidokwa egwu ha n'isi. Nkea

ka ha ga-emegide rue mgbe ike gwuru ha.

Kpukpu mkpu ogele bu egwu onwa nke umuaka na-eji egosiputa mkpotu di iche iche umu an

ohia na-eme. Mgbe ha na-egwu egwuregwua, ha na-agu egwu ndi a: nwere mpi. Ag

Onye elela anya n'azu oo

Otu a ka ha ga na-akpo aha anu di iche iche na-egosiputa udi mkpotu ha na-emee. Onye daray

Mmanwu anyi na-aga n'azu o0

Onye elela anya n'azu oo

Onye elele anya n'azu dikwa ka egwuregwu ndi akowaputara n'elu. N'ebe a, umuaka na-a okirikiri. Out onye nime ha ga ewere mkpirisi osisi na-agba okirikiri nazu ha n'ile. Ha ga n ike jide e otu onye,ha

Mmanwu anyi na-aga n'azu oo

Onye lee anya n'azu ao

Mmanwu anyi apiagbuo ya

Onye lee anya n'azu o

Mmanwu anyi apiagbuo ya.

Mebe onye nke na-agbaghari n azu ha huru na n'uche ha niile di n'egwu ha na-agu, o ga-ewere onye ozo. ahu debe n'azu Otu onye nime ha. Onye ahu o debere osisi ahu n'azu ga e were osisi ahuVa Oso, o buru na o jide ya, onye ahu ga ebido n'isi guwa egwu ahu rue mgbe o ga-ejide ouregwu ikpoputa aha anu di iche iche, o nwere ike buru ikpoputa aha anu na-efe efe, Ne obula ga na-akpo aha anu o mara na-efe efe, onye kporo nke na-akpu akpu maobu nke na aai adala ya. O buru ikpoputa nke na-ebi n'ulo, onye obula ga na-akpo aha anu o mara na ebi nhlo, onye kporo nke n'ebi n'ohia adala va. Awugwa lbu ajuju maobu okw nke mputara ya tara akpu .izata ya choro echiche miri emi. E chi na-abu okenye maobu oke amamihe azata ajuju agwugwa. Omuma atu agwugwa odinala igbo bu ndi a:

Gwam gwam gwam gwam

1. Akwa chukwu suru anaghi ako ako

2. Ihe mere eze jiri ra ntu

3. Ihe gbara aka baa ohia chiri umuputa

4. Ihe na-adu nwata odu n'oku nri

5. Otinwata n'ihu nne ya

6. Nnunu oke okwu

7. Oba chukwu kwuchiri adighi ekwe nkwughe

8. Onye e gburu mma ma o gbaghi obara

9, Umunne abuo na-adighi ahurita onwe ha

10. Ude asuru na-mba nu uda ya na-mba

Akuko ifo bu ihe ozo anyi ga-eleba anya na ya. O bu eziokwu na nke a abughi nkenuudi egwuregwu odinala,o bu agumagu odinala. O sokwa n'otu ihe di mkpa umuaka na-eme mgbe ha na-egwu egwu onwa. Ya bu ikoro onwe ha akuko ifo maobukwa okenye ikoro ha akuko ifo. Akuko ifo bu akuko aroro aro. O buo si n'aka fere n'aka. O dighi onye a ga-asi na o buya malitere akuko ifo. Nke a bu nwa tote o tokwuru. O na-abukari akuko metutara mmadu,anumanu na ndi mmuo, na ihe ndi ozo din'okirikiri mmadu. N'oge gboo, akuko ifo bu otu uzo di mkpa ndi nna nna anyi si akuziri umu ha ihe. Haji ya akuziri ha ikpa ezi agwa, idi uchu n,oru, omenala nakwa ihe ndi ozo di mkpa. N'uzo oz0, ha jikwa ya eme ihe mkpa ochi iji mee onye obula obi uto. bu n'oge abali mgbe onwa na-eti ka a na-eji akorita akuko ifo ma jirikwa zuo ike oru aruru ubochi ahu. Mgbe ufodu, ebe ana-ano akori akuko ifo bu n'ama maobun'ulo onye okenye maara akuko ifo nke oma. O buru umuaka na- akoro onwe ha, aga enweriri otu okenye nwaanyi maobu nwoke ga-ano ha nso na-akuziri ndi amaghi ako akuko ifo a etu esi ako ya. E nwere otutu akuko ifo nke ufodu omuma atu ha bu; akuko maka mbe na ngwere, mbe na udu amamihe, mbe na umu mmuo dgz. Akuko ifo na-enwe usoro ebido ya nke na-eme ka onye obula gewe nti. Usoro bun di a, chakpi... woo, ifo dee .dee, takwii...otii dgz. Nakuko ifo, ndi mgbe ochie na-esite na ya Ko oro umu ha ebe ha si bia, otu ufodu omenala siri bido nakwa odinala ufodu di iche iche. aruko ifo na-akuziri umuaka etu esi amuta asusu ha nke oman'ihi na o bu asusu igbo ka eji ako ya. Nke a mere ndi gboo jiri chekwuba asusu a ma mee ka o rute anyi aka. Egwuregwu odinala na akuko ifo ndi a kowsputara nederede a baata ndi igbo uru nke ukv n'oge gboo. Dika anyimeturu ufodu n'ime ha ska n'ederede a, eji ha akwado o ezigbo mmekorita mmadu na ibe ya. Eji ya akuzii umuaka 0dinala ta omenala ha. Ejikwa ya akuziri ha asusu be uma matra ezi agWa. ha. Ha na enye obi anuri. Ona cme ka umuaka nwee nsopiuru Ihe mere uru ndi a jiri puta ihe n'oge gboo bu na tidi iie fia ina nwere nsopuru na ojuju afo n'ebe asusu a bu igbo di. Ha obere ij) ezwuregwu ndia akowaputara kuziere ha asusua egwuregwu odinala ndi igbo, Ndu ogbasaghim nke siterena komputa na teknolo N'oge ugbu a, umu afo igbo j aja na acho ibochi asuSu igbo nhi enweghi ohere ikuziri umuha ogbaraohuru ugbu a sokwa akvwatu asusu igbo. Na nchikota cderede a, asusu, dika okammuta kowara bu onyinye Chineke nyee mmadu,obu agarnnihu mba obula. Obodo obula tufuru asusu ha anwuola pii, ha atufuola ejirimara ha. O bu site n'ikwalite egwuregwu odinal anyi ka asusu igbo ga esi bilitekwa 0ZO Wee ghara inwu dika eburun'amuna.

**EDENSIRIBIA**

Emenanjo, E.N (2008) lgbo Maka Junio Sekondiri 3 Sbadan: University Press

Emenanjo, E.N (2008) lgbo Maka Junio Sekorndiri 2 Sbadan; University Press,

ogbaly, EC (2006) Omenala lgbo. Onitsha: University Publishing Company

Onuora, J.C (2009) Usoro Omumu lgbo (utoasusL, agrnagu na omenala)

MakaSinio Sekondiri. Onitsha: Patononic Publiohers,

Ugonna, N (2009) Abu Na Egwureguu Odinala lgbo. Lagos Longman Nigería.